# NDỊ NLEDO IRINAABỤỌ AHỤ NA AKỤKỌ HA WEGHACHIRI
## Ọnu-ọgugu 13:1-33; Deuteronomi 1:19-24
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 101 – Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Mgbe uzọ nile nke onye ọ bula nātọ JEHOVA utọ, ọ nēme ọbuná ndi-iro-ya ka ha na ya di n'udo" (Ilu 16:7).**

**Eruwo Ókèala nke Kenean**

Ụmụ Israel abịaruwo ókèala nke Kenean. Ọ dịwo ka ijè ha n'ọzara naabịaru ná ngwụsị. Chineke ekweworị ndị nnanna ha bụ́ Abraham, Aisak na Jekob ala nke a ná mkwà. Ma n'imezu mkwà ahụ, O jiwo aka dị elu dupụta Ụmụ Israel site n'ala Ijipt, mgbe O merisịrị nguzogide niile nke ndịiro ha kpamkpam.

**Mkwadobe nke Chineke**

Mgbe ndị agha nke Ijipt naachụso ha, Chineke meere ha ụzọ n'Osimiri Uhie mgbe ọ dị ka ọ dịghị ụzọ mgbapụ dịịrị ha. Chineke arọpụtawo ihe oriri na mmiri nime ọzara ahụ kpọrọ nkụ; ma mgbe ndị Amalek busoro ha agha, Chineke enyewo ndị Hibru a bụ́ orù anaachịkọtaghị ọnụ mmeri. Ogidi igwèojii n'ehihie na ogidiọkụ n'abalị eduwo harị ihe karịrị otù arọ̀. Chineke egosipụtawo na Ya pụrụ inye ha ihe niile náakpá ha.

Ugbu a o ruwo ịgafe ókè Ala Mkwà ahụ, ma ha gaesoroworị ogidi igwèojii ahụ gaa n'iru n'ebe Chineke gaeduru ha rue. Ọ̀ bụ na Chineke ekweghị ha ala a na mkwà? Ọ̀ gaabụ na Ọ pụghị kwa inye ha ya ugbu a?

**Mmehie nke Ekweghị ekwe**

Ná nsọtụ nke olileanya ha na imezu nrọ̀ niile ha, ndị Israel nwekwara obi abụọ ọzọ n'ebe Chineke nọ. Mmehie nke kachasị n'ụwa bụ ekweghịekwe. Ọ bụ mgbọrọgwụ nke mmehie ndịọzọ dị icheiche. Ọ bụrụ na ndị mmadụ ekwere n'Okwu nke Chineke ha gaaghọta na ọkụ alammụọ bụ ụgwọọlụ nke aga akwụghachi onye mmehie. Ha gaahụworị ahụhụ ebighiebi nke gaabụ ụwgọọlụ nke ndị ahụ nke gbakụtara Chineke azụ́ mgbe ahụ ha gaagbaworị ọsọ gbakuru Jisọs ịbụ ebe nchébe ha. Mgbe mmadụ mmehiere na mbụ n'Ogige Iden ọ bụ n'ihi na o nwere obiabụọ n'Okwu Chineke na ha gaanwụ́ ma ọ bụrụ na ha enupụisi n'iwu ahụ dị nsọ. N'ihi na ha nupụụrụ Chineke isi, mmadụ niile wee ghọọ ndị mmehie ndị náánị otù olileanya nke nzọpụta ha bụ: site n'Ọbara nke Jisọs wụsịrị.

**Ezipụrụ Ndị nledo**

N'Ọnụ-ọgugu 13:2 Chineke gwara Moses ka o ziga ndị nledo nime obodo Kenean ịhụ́ ụdị obodo ọ bụ. Na Deuteronomi 1:22 anyị hụrụ nkọwa ihe kpatara eji zipụ ndị nledo ahụ. Chineke chọrọ ka ndị Ya kwere na Ya mgbe Ọ gwara ha na ọ bụ ala nke ezi ihe dị nime ya, na ọ dịghị kwa mkpà ọzọ izipụ ndị nledo; ma mgbe ha kpebiri ịga, Chineke rapụrụ ha ka ha gaa hụ́ ihe dị n'Ala Mkwà ahụ.

Chineke agwawo ha na ala ahu bụ ala mmiriara ehi na manụañụ naeru na ya. N'oge náadịghị anya garaaga ike manna gwụsịrị ha nke mere na ha malitere ịtamù ntamù megide Chineke wee náarịọ ka enye ha anụ nke ha gaeri. Ugbu a ha nwere ohere ịga ebe ha pụrụ iri mkpụrụ osisi dị icheiche na anụ na mmanụ añụ na mmiriara ehi. Ma kama ha gaekwere okwu Chineke wee bànye irita urù nke ala ahụ, ha ghọrọ ndị egwù jidere ma chọọ kwa ka mmadụ ụfọdụ gaa lee ma ha pụrụ inweta obodo ahụ. Ha nwere obiabụọ n'ebe Okwu Chineke dị, ma lee óké nsogbu nke bịakwasịrị ha!

Chineke ekwewo anyị mkwà dị icheiche dị ukwuu, ọ bụrụ kwa na anyị ekwenye ma tụkwasị kwa Ya obi náagbanyeghị otú anyị naele anya na ọnọdụ dịrị anyị. Ọ gaedu anyị na nzọụkwụ na nzọukwụ rue mgbe anyị gaenwetazu ngọzi nke Ọ kwadooro anyị.

Chineke kwenyere ka ndị ahụ ziga ndịnledo. Ha rọpụtara otù nwoke site n'ebo ọ bụla. otù nwoke nke echere na ọ maara ihe, onye gaeweghachi akụkọ ziriezi. Ma mmadụ iri nime ndị ahụ echèrè na ha maara ihe enweghị kwa okwukwe ọzọ nime Chineke dịka ndị nke fọdụrụ.

Mgbe iri ụbọchị anọ gasịrị ha latara. Okwu niile nke Chineke kwuru bụrịị eziokwu: ọ bụ ala maramma nke naeru na mmiriara ehi na mmanụañụ. Ha nwere obodo ewusiri ike na ọtụtụ ụlọ maramma ebe ha gaebi. Ihe ngosi nke mkpụrụosisi ha wetara bụ ụyọkọ nke grape nke dị ukwuu na eji osisi buru ya n'ubu nke mmadụ abụọ. Chee kwa échìchè banyere otú ịmamma nke ala ahụ nke nwere osisi na mmiri niile na ubi vine dị icheiche gaadịworị n'anya ha mgbe ha wagharịchara nime ọzara ahụ ihe karịrị otù arọ̀!

**Akụkọ Ọjọọ**

Ma ọ dị ihe karịrị ịmamma nke ala ahụ. Ndị mmadụ bi n'ebe niile. Ndị Het, ndị Jebus, na ndị Amorait bi n'ugwu; ndị Kenean bi n'ụsọ osimiri; na ndị Amalek, ndị ha lusoworo ọ̀gụ̀ otù mgbe ma merie, bi na ndịda. Ọ dị ka ndị nledo ahụ chèfuru na nime ọ̀gụ̀ ahụ, ọ bụ Chineke nyere ha mmeri, na Ọ pụkwara ime ya ọzọ.

Ọzọ kwa enwere ndị okoroukwu n'ala ahụ. Mgbe ndịnledo ahụ hụrụ ndị ahụ gbara dimkpà ha dị nnọọ ka ogugu n'anya ha. Ma anyị kwesịrị ịtụegwù n'ihi ndị okoroukwu, mgbe Chineke dịnyere anyị? Mgbe Devid bụ náání nwata nke náazụ̀ atụrụ ọ pụrụ náání ya wee luso Golaiat ọ̀gụ̀, wee merie ya. Ị̀ chètara ihe kpatara nke a? Nke a bụ ihe Devid gwara okoroukwu ahụ: "Ya na ka nkpọkọta nka nile wee mara na ọ bụgh mma-agha na ube ka JEHOVA ji azọpụta: n'ihi na JEHOVA nwe agha nka, Ọ gēnye kwa unu n'aka-ayi" (I Samuel 17:47). Ebe Chineke nọnyere ya, Devid pụrụ ịkụda okoroukwu ahụ site na náání otù nkume na èbè ya.

**Agha nke Onyenweanyị**

Anyị pụrụ ịhụ otú Ụmụ Israel gaesiworị merie ndị niile bi n'ala Kenean. Ha kwesịrị ịrapụ ka Chineke lụara ha ọ̀gụ̀ ha niile. Chineke chọrọ ime ya. Chineke chọkwara imere ndị Ya otù aka ahụ n'ụbọchị taa. Ọ chọghị ka anyị náesogbu onweanyị maọbụ náamajijiji mgbe ihe ike bịakwasịrị anyị. Ihe Ọ chọrọ n'aka anyị bụ, "guzonu onwe-unu n'ebe a hu nzọputa JEHOVA" (maọbụ "guzonu duu we hu nzọputa JEHOVA"). Ọ maara mkpà niile anyị karịa otú anyị matara ha.

**Mmụọ Dị Ichè**

Ọ dị ndị nledo abụọ Keleb na Joshua ndị kọrọ akụkọ dị iche. Ha kwenyere na eji mgbidi wue obodo ahụ gburugburu na ndị okoroukwu nọ kwa ya; ma egwù atụghị ha. Ha sịrị, "Ka ayi rigo nọ, nweta ya; n'ihi na ayi puru ime ya nke-ọma." Ndị nledo ahụ niile hụrụ otù ihe ahụ, ma site n'anya nke okwukwe nke mmadụ abụọ a bú ndị nke Chineke, ha hụrụ ala ahụ n'ụzọ dị iche. Nke ahụ bụ ihe dị iche n'etiti ọnwụnwa ahụ gaabịakute ha abụọ; ọ bụ ezie na onye ahụ náenweghị okwukwe apụghị ijide onweya wee ghọọ onye náatụ egwù, ma onye ahụ nke nwere ezi obi nke ịtụkwasị Chineke obi gaasị, "Ayi puru ime ya nke-ọma."

Site na mgbe dị anya garaaga n'akụkọ banyere chọọchị anaenwe mgbe niile "igwè aturu ntà" nke NdịKraist, ma okpukpé ndị Kraist naaga kwa n'iru n'ọtụtụ ọgbọ niile garaaga náemegide ike niile nke setan ikpochapụ ya. "Ọ buru na Chineke diri ayi, ònye nēmegide ayi? (Ndi Rom 8:31). Ọ bụrụ na Chineke anọnyere anyị, mgbe ọ bụla, anyị ganaemerị. Ma anyị aghaghị ikwenye ka Chineke lụọ ọ̀gụ̀ ahụ n'ụzọ nke aka Ya.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Òlee ebe ndị Israel bịaruru?
2. Ogologo oge ra añaa ka ha nọworo n'ọpụpụ ha site n'Ijipt?
3. Òlee ihe Ala Kenean dị ka ya?
4. Gịnị mere ndị ahụ ji chọọ iziga ndịnledo?
5. Gịnị bụ akụkọ nke ndịnledo iri ahụ?
6. Òlee otú akụkọ nke Keleb na Joshua si dị ichè?
7. Ndịnledo ahụ niile ha hụrụ otù ihe ahụ?